# NDANUSORO N'ABỤ Ọ̀N̄Ụ NWA NDỊ IGBO

**Ihedigbo, Ruth Ebere**
**Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka**
**ebere.ihedigbo@unn.edu.ng**

**Ụmị**

Ndanusoro bụ otu ngalaba pụrụ iche a na-eleba anya mgbe a na-eme ntụcha abụ. Uzochukwu (1990) chọpụtara na e nwere ụdị ndanusoro atọ na-apụta ihe n'abụ ọnụ ndị Igbo. Ha bụ bịambịakwa nkwụsị nkuruume, bịambịakwa nhatanha oge na bịambịakwa nhatanha oge na bịambịakwa mmaju echiche. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu ndanusoro ndị a si pụta ihe n'abụ ọ̀n̄ụ nwa ndị Igbo. E ji usoro nnọnye nlere na ajụjụ ọnụ nweta njiatule site n'ọnụ mmadụ iri akpachara anya họrọ site na steeti ise mebere ala Igbo. E jikwa usoro ọdịdị tụchaa njiatụle. Ka anyị tụchachara njiatụle, anyị chọpụtara na naanị ụdị ndanusoro abụo dị ka Uzochukwu (1990) si chọpụta bụ bịambịakwa nkwụsị nkuruume na bịambịakwa nhatanha oge bụ ụdị ndanusoro ndị pụtara ihe n'abụ asaa e ji mee nchọcha. Ụdị ndanusoro nke atọ bụ bịambịakwa echiche na-amaju ibe ya apụtaghị ihe. Ihe putara ihe n'abụ ndị e ji mee njiatụle bụ mmaju ahịrị nkịtị.

**Ọkpụrụ okwu:** Abụ ọnụ Igbo, Abụ ọ̀n̄ụ nwa, Ndanusoro.

**Abstract**

Rhythm is one of the aspects that is examined during poetic analysis. Uzochukwu (1990) identified three types of rhythm that feature in Igbo poetry: regular recurrence of equal breath pause, regular recurrence of equal time duration and regular recurrence of equal sense balance. The objective of this study is to identify the types of rhythm, as identified by Uzochukwu, that feature in Igbo birth songs. The data were gathered through participant observation and oral interviews. At the end of the analysis, it was observed that just two types of rhythm identified by Uzochukwu (1990), which are recurrence of equal time duration and recurrence of breath pause, featured in the seven (7) analysed songs. The third type, which is recurrence of equal sense balance, was not observed in the analysed data. What was featured in the studied Igbo birth songs was only run on lines.

## Mkpọlite

Ndị Igbo bụ ndị e ji mmemme dị iche iche mara. Ha nwere ụfọdụ mmemme dị ka: iri ji, mmọnwụ, ili ozu, ịlụ nwaanyị, ọ̀n̄ụ nwa, ịgụ aha, ịpụ ahịa na ndị ọzọ. N'oge mmemme ndị a, a na-enwe abụ dị iche iche ha na-eji eme ya. Abụ a na-abụ mgbe a na-eli ozu maọbụ akwa ozu abụghị abụ e ji alụ nwaanyị maọbụ eme ọ̀n̄ụ nwa. Mmemme ha niile nwere ọnọdụ nakwa abụ e jiri mara ya. Abụ bụ otu n'ime ngalaba abụ ọnụ Igbo, ngalaba ndị nke ọzọ gụnyere akụkọ na ejije. Abụ nchọcha a ga-eleba anya na ya bụ abụ ọ̀n̄ụ nwa.

Abụ ọ̀n̄ụ nwa bụ otu n'ime abụ ọnụ ndị Igbo nwere. Abụ ọ̀n̄ụ nwa bụ abụ ndị ahụ ndị nne na-agụ mgbe nwaanyị mụpụtara nwa ọhụrụ, iji kelee Chineke n'ọrụ ọma ya n'isi ezinaụlọ ahụ mụtara nwa ọhụrụ ahụ ma jakwaa nne na nna nwa ọhụrụ ahụ ike n'ihi mbọ ha gbara were mụpụta nwa ọhụrụ. Ndị Igbo kwenyere na nwa abụghị nke otu onye, nke a mere ọhaobodo ji aṅụrị mgbe ọbụla a mụtara nwa ọhụrụ. Finnegan (2012) kọwara abụ ọ̀n̄ụ nwa dịka abụ ndị ahụ a haziri, nke a

na-abụ iji ṅụrịa maka nwa ọhụrụ ma nabata ya n'obodo, na-enyekwa otito. Ọ gara n'ihu kwuo na abụ ọṅụ nwa dị oke mkpa n'agụmagụ ọnụ bụ nke juputara n'omenaala. Abụ bụ ọrụ agụmagụ nke na-egosi echiche na mmetụta obi site n'okwu nka na ndanusoro.

Ndanusoro bụ ngalaba dị oke mkpa na nkọwa abụ, bụ nke nchọcha a ga-eleba anya na ya. Ndanusoro bụ otu ọkpụrụkpụ ihe pụtara ihe n'abụ nke na-enye aka ime ka abụ gaa werewere. Ọ bụ ọgịga na nkeji nkume a na-ahụta n'ahịrị ndị mebere abụ. Ụzọchukwu (1981) kọwara na ndanusoro dị ka ụda maọbụ nkume nke metutara mmegharị ahụ. Ọ gara n'ihu kwuo na mmereme ọbụla nke nwere mmegharị ga-enwerịrị ndanusoro. Ndanusoro n'abụ dị oke mkpa n'ihi na ọ na-akpalị ime mmụọ ndị ngere ma mee ka ha ghọta ihe onye ngosi maọbụ ọgụụ na-ekwu maka ya. Ụzọchukwu (1985) kọwara na abụ ọnụ Igbo na-ezipụta ndanụsoro ụzọ atọ, nke bụ: bịambịa nkwụsị nkuruume bụ nke nwere ike ịdị mkpụmkpụ maọbụ ogologo, bịambịa nhatanha oge na bịambịa mmajụ echiche. Na ndanụsoro atọ a, ka nchọcha a ga-agbakwasị ụkwụ na ya were nyochaa abụ ọṅụ nwa ndị Igbo.

Ndị Igbo bụ ndị a ga-ahụ n'Ọwụwa anyanwụ mba Naịjirịa, nke dị n'Ọdịda anyanwụ mba Afrịka. Steeti ndị mejupụtara ala Igbo gunyere: Abịa, Anambara, Ebọnyị, Enugwu na Imo. Ndị Igbo bụkwa ndị nwere agbataobi site n'ugwu ruo na ndịda, site n'ọwụwa anyanwụ ruo n'ọdịda anyanwụ. Ha bụ ndị hụrụ onwe ha na mmadụ ibe ha n'anya nke ukwuu. Onye ruwe ụjụ, ụmụnna ya agbara bịa, soro ya ruo ụjụ. Onye nọrọ n'ọṅụ, ọhaobodo esoro ya ṅụrịa. Ndị Igbo bụ ndị na-eji abụ dị iche iche ezipụta ụdị ọnọdụ ha nọ na ya. Nke a mere ha jiri nwee abụ dị iche iche ha ji ezipụta ụdị ọnọdụ dị iche iche. N'ala Igbo, ezinaụlọ ọbụla na-amụtabeghi nwa, ọ na-adị ha ka Chineke achọghị ịgọzi ha maka na ha na-ahụ ụmụaka dị ka onyinye si n'aka Chineke abịara ezinaụlọ ọbụla. Oke mkpa ndị Igbo hụrụ na ụmụaka dị mere ha ji agụ ụmụ ha: Nwakego, Nwakaakụ, Mmadụka, Nwanneka (Ihedigbo, 2017). Ọ bụghị naanị nke a, nwaanyị ibu afọ ime lọta bụ nnukwu ihe, maka na ọtụtụ bụ ndị na-anwụ n'afọ ime. Ndị Igbo kwenyere na onye buo afọ ime ọnwa itoolu mụọ n'udo, a na-ahụ ya ka onye jere ọgụ n'ala ndị mmụọ kuru nwa ya lọta. Nke a mere, nwaanyị mụọ nwa, asị ya: Ị lọla? Maọbụ ndị mmadụ asị: Ọ rịtuola maọbụ Ọ rịdala. Di ya n'aka nke ọzọ anaghị ezu ike rukwe mgbe nwunye ya mụrụ nwa n'udo. Nke a mere ndị Igbo ji asị: Ime na-eme nwaanyị, ọ na-emekwa onye tụwara ya ime. Nwaanyị mụpụta nwa n'udo, obi na-ejupụta onye ọbụla n'ọṅụ nke ga-eme ka ụmụnwaanyị gbakọọ, ma na-agụ abụ ọṅụ nwa.

Nchọcha a bụ nchọcha kwọlịtetivu. Abụ ọṅụ nwa asaa ka e ji mee nchọcha a. Abụ ọṅụ nwa ndị a bụ ndị e wetere n'akwụkwọ nchọcha Ihedigbo (2017) mere bụ nke ọ kpọrọ "*Theme and Style of Igbo birth songs*". Na nchọcha ya, o nyochara abụ ọṅụ nwa ndị Igbo nke o si na steeti niile mebere ala Igbo nweta. Steeti ndị a gụnyere: Abịa, Anambara, Ebọnyị, Enugwu na Imo. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ọdịdị nke na-arụtụ aka n'ọdịdị agụmagụ. Ihe mere e jiri were atụtụ a mee nchọcha a bụ maka na ọ kacha adaba n'isiokwu nchọcha a nke bụ nnyocha ndanụsoro n'abụ ọṅụ nwa Igbo.

## Ntụlegharị Agụmagụ

Na mpaghara a, a tụlegharịrị ihe ndị e merela yitụrụ nke e ji n'aka ugbu a site n'ịgbado ụkwụ n'ihe ndị a: Mpụtara okwu ụfọdụ, atụtụ na nchọcha ndị e merela yiri nke e ji n'aka.

## Mpụtara okwu ụfọdụ

N'ebe a, e lebara anya na mpụtara okwu ndị a: abụ ọnụ Igbo, abụ ọṅụ nwa na ndanusoro

**Abụ Ọnụ Igbo**
N'agụmagụ ọnụ, otu ngalaba pụrụ iche bụ abụ ọnụ. Abụ ọnụ dịwagara onwe ya iche n'ebe abụ ederede nọ. A na-ede nke ederede ede mana nke ọnụ bụ ekwuru n'ọnụ nke na-esite n'aka ndị nna nna fere n'aka ụmụ ụmụ. Abụ ọnụ juputara n'ụdị dị iche iche, nke gụnyere: Abụ ifo, abụ agha, abụ akwamozu, abụ nkọcha, mbem, ngụgọ na ndị ọzọ dịgasị iche iche. Ndị Igbo bụ ndị na-achọ abụ ọnụ ha mma pụrụ iche. Nka pụtara ihe n'abụ ọnụ Igbo abụghị ihe e ji ọnụ ekwu. Ụdị ụda ha na-ewebata n'abụ ọnụ mere ka ndanusoro dabaa adaba nke ọma. Abụ ọnụ na-adị n'ụdị emereme. Mgbe a na-agụpụta ya bụ mgbe a na-emepụta ya nke a mere e ji ewebata ọtụtụ enyemaka asụsụ nke ga-eme ka ndị ngere maọbụ ndị nkiri nwee mmetụta nke nwere ike ịkpali mmụọ aṅụrị maọbụ mwute.

**Abụ Ọṅụ Nwa**
Abụ ọṅụ nwa bụ abụ ndị ahụ ụmụnwaanyị na-agụ iji nabata nwa ọhụrụ, nye Chukwu okike ekele maka ọmụmụ ma tokwaa nne na nna mụrụ nwa ahụ maka mbọ ha gbara mụta nwa ọhụrụ n'obodo nke ga-eme ka obodo na-eto eto. Ogunjimi na Na'Allah (2005) kọwara abụ ọṅụ nwa dịka omenaala nke a na-esi n'ụzọ ndanụsoro na mbem emepụta iji too ndị nna maka ndịdị ha, ṅụrịa maka ọmụmụ, ma na-akpọku ngọzị ndị nna nna. Ha gara n'ihu were kwuo na a na-esi n'abụ ọṅụ nwa eme ka omenaala na-eto eto. Okpewho (1992), n'otu aka ahụ, kọwara abụ ọṅụ nwa dịka abụ omenaala nke ndị mba Afrịka ji ezipụta ọbịbịa nwa ọhụrụ. Ọ gara n'ihu were kwuo na ọ na-eweta ozi ngọzị, olileanya, na ịdịnotu ma na-ewetakwa nkụzi nye ndị nne na nna na nwa ha.

**Ndanusoro**
Ndanusoro dịka e kwuru na mbụ bụ ọgịga na nkeji nkuruume a na-ahụta n'ahịrị ndị mebere abụ. Finnegan (2012) hụrụ ndanụsoro n'agụmagụ ọnụ ka ụda na olu a haziri ahazi nke na-enye aka n'ibu ihe n'isi, na mmereme ma na-akpali mmụọ ndị ngere/nkiri. Ụzọchukwu (2012) kọwara na mmewere ndanụsoro n'asụsụ ọbụla bụ bịambịa/bịambịakwa, bụ nke a tụrụ anya na ọ ga-adịrị na-aga n'usoro n'usoro. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụghị otu usoro ka asụsụ niile na-agbaso iji nweta ndanụsoro ha. O kwuru na, n'asụsụ bekee, ihe na-eweta ndanusoro bụ mita nke na-eji bịambịam ntụgwagharị nkejiokwu nwere ike olu na nke na-enweghi emebe. N'aka nke ọzọ, ihe na-eweta ndanusoro n'asụsụ Igbo bụ nkejiokwu nke nwere nhatanha oge e ji ekwu ya. Ụzọchukwu (2012) gara n'ihu kwuo na mmebere ndanụsoro n'asụsụ Igbo bụ ndị a: i) Bịambịam nkwụsị nkuruume ii) Bịambịam nhatanha oge iii) Bịambịam mmajụ echiche n'ahịrị na-esote onwe ha.

**Nchọcha E Merela Gbasara Isiokwu**
Mbuda (2003) mere nchọcha gbasara ìkpe n'abụ ọṅụ nwa ndị ụmụ nwaanyị Oku Cameroon. Isi nchọcha ya bụ ịchọpụta okwu ìkpe ndị batara n'abụ ọṅụ nwa ndị obodo ahụ. Na nchọcha ya, o ji abụ ọṅụ nwa iri na asaa mee nchọcha gbasara okwu ikpe ndị batara n'abụ ndị ahụ. Ọ chọpụtara na okwu ikpe ndị batara n'abụ ọṅụ nwa ụmụnwaanyị ndị Oku gụnyere: ịkwa iko, ezinaụlọ ịnọ n'ọgbaaghara, nleghara anya, ejighi ihe kpọrọ ihe, aka ike/aka nkwụkwụ na izu ohi. Na nchọcha ya, ụmụnwaanyị na-eji abụ ọṅụ nwa akatọ akparamagwa ọjọọ ndị mmadụ na-akpa. Otu nke mbụ bụ ndị na-akwa iko. Ọ chọpụtara na ndị Oku bụ ndị na-akwanyere mmekọrịta nwoke na nwaanyị ugwu ma na-ahụkwa ya ka ihe e ji maka ịmụta nwa were hiwe. Ha na-akatọ ndị na-akwa iko ma

ghara imejupụta ihe ha kwesịrị ime ma ha na-ekpe ikpe n'abụ ọ̀nụ nwa. Otu ọzọ ha na-akatọ bụ ndị na-akwasa ndị ọbụla iko. Ndị agadi na-akwasa ụmụ nwaanyị iko, ụmụnwaanyị ndị na-emepere nwoke ọbụla ụkwụ socha na ndị ha na-ekpe ikpe. N'ọgbaaghara ezinaụlọ, ọ chọpụtara na ụmụnwaanyị Oku na-esite n'abụ ọ̀nụ nwa akatọ ndụkọrịta na-adị n'etiti ndị nwunyedi, ndị nne na nna na ndị na-eleghara oke na ọrụ ha n'ezinaụlọ, nakwa di na nwaanyị ịnọ n'ọgbaaghara. N'ihe gbasara aka ike, ọ chọpụtara na ụmụnwaanyị Oku na-akatọ ndị nwere aka ike na-achọghị iwepụta ihe nye ndị mmadụ maka nwa ọhụrụ ha mụrụ. O kwuru na oge a mụrụ nwa ọhụrụ kwesịrị ịbụ oge oriri na ọ̀ṅụṅụ mana ụmụnwaanyị Oku chọpụtara na ụfọdụ ezinaụlọ na-eme aka ike iwepụta ihe nye ndị mmadụ n'oge a. Site n'abụ ọ̀nụ nwa, ha na-akatọ agwa dị otu a. Otu ọzọkwa bụ ndị na-ezu ohi. Ọ chọpụtara na, maka oke mkpa ndị Cameroon hụrụ ụmụaka dị na-eme ụfọdụ ụmụnwaanyị na-amụtaghị nwa ji ezu ohi nwa ndị ọzọ maka akaja a na-eme ha n'ihi amụtaghị nwa nke aka ha. Site n'abụ ọ̀nụ nwa ụmụnwaanyị ndị Oku na-agụ, ha na-akọtọ ma na-ekpe ụmụnwaanyị ndị dị otu ahụ ìkpe. Nchọcha a na nke anyị yiri n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka abụ ọ̀nụ nwa. Mana ihe dị iche bụ na nke anyị na-ekwu maka ndanusoro n'abụ ọ̀nụ nwa, ebe nke a na-ekwu maka okwu ikpe ndị batara n'abụ ọ̀nụ nwa. Ihe ọzọ kwa bụ na nchọcha a na-ekwu maka ọ̀nụ nwa ndị Oku dị na Cameroon, ebe nke anyị na-ekwu maka ọ̀nụ nwa dị n'ala Igbo.

Okoronkwo (2006) mere nchọcha n'abụ ọ̀nụ nwa ndị Ishiagụ dị na steeti Ebonyi. Isi nchọcha ya bụ ịchọpụta ma kewaa isiokwu ndị mebere abụ ọ̀nụ nwa ndị Ishiagụ. Otu o si kewaa ha gụnyere: Nke mbụ bụ abụ ọ̀nụ nwa ndị ahụ na-ekpe ụmụ nwoke ndị ahụ na-agaghị atụli nwaanyị ime, na ndị umengwụ na-anaghị elezili nwunye ha anya. Otu nke abụọ bụ abụ ọ̀nụ nwa ndị ahụ na-ekpe ndị ìkpe ma kpọọ ha ndị anyaụfụ. Otu abụ ọ̀nụ nwa nke atọ bụ ndị ahụ na-egosi obi ụtọ na ọ̀nụ maka nwa ọhụrụ a mụụrụ ha. Nchọcha Okoronkwo (2006) na nke e ji n'aka yiri onwe ha maka na ha abụọ mere nchọcha n'abụ ọ̀nụ nwa. Ihe dịzi iche bụ nke a bụ ikewa isiokwundị mebere abụ ọ̀nụ nwa n'Ishiagụ dị na steeti Ebọnyị ebe nke a e ji n'aka na-ekwu maka ndanusoro dị n'abụ ọ̀nụ nwa n'ala Igbo.

Offor (2008) mere nchọcha gbasara abụ ifo ndị ọ họọrọ n'okpuru ọchịchị Anaọcha dị na steeti Anambara. Isi nchọcha ya bụ ịchọpụta nsiripuru, ihe e ji abụ ifo eme na ọrụ ọ na-arụ n'omenaala ndị Anịọcha. O mere ka ntọala nchọcha ya bụru naanị Ọnụmara asatọ ahụ mebere obodo Anịọcha. Ọnụmara asatọ ahụ bụ: Agụlụ, Agụlụ Izuigbo, Adazi-Enu, Adazi-Nnukwu, Obeledu, Akwaeze na Nri. Ọ chịkọtara abụ ifo iri isii o nwetere n'ọnụmara ndị a niile. Ọ chọpụtara na abụ ifo ndị Anịọcha kewara onwe ha ụzọ ndị a: abụ akwamozu, abụ ikpe, abụ ọ̀nụ nwa, abụ alụmalụ, abụ ikpe, abụ egwuregwu, abụ ngụgụ nwa, abụ echichi, abụ akwa, abụ otito, abụ e ji akwa ụwa, abụ eji achụ nta na abụ ọrụ. Ọ gara n'ihu kwuo na, site na ndịna abụ ndị ahụ ka ọ gbadoro ụkwụ kewaa ha. N'abụ ọ̀nụ nwa, Offor (2008) depụtara na mgbe a mụrụ nwa, nne nwaanyị mụrụ nwa na-amalite abụ ọ̀nụ nwa nke ọ ga-eji akpọku ụmụnwaanyị nọ n'obodo ka ha bịa n'ụlọ ya. Ha bịaruo, ha ga-amalite ịgba egwu na-agụ egwu na-ekele Chiukwu maka nwa ọhụrụ o nyere ha. Ha na-enyekwa ya onyinye dị ka ego maọbụ ihe oriri. Ụdị egwu a na-agụ ga-abụ site ma ọ bụ nwoke ka ọ bụ nwaanyị ka a mụrụ. Myiri dị n'etiti nchọcha a na nke e ji n'aka bụ na ha abụọ bụcha nchọcha gbasara abụ ọnụ ndị Igbo mana ihe dị iche bụ na nke a gbadoro ụkwụ n'abụ ifo ebe nke e ji n'aka na-ekwu maka abụ ọ̀nụ nwa.

Nnamanị (2014) mere nchọcha nke ọ kpọrọ "*The role of folk music in traditional African society using the Igbo experience.*" Na nchọcha ya, ọ chọpụtara ọrụ dị iche iche abụ ifo na-arụ n'ala

Igbo. Ebe ọ tọrọ ntọala nchọcha ya bụ n'Imezi Ọwa, nke dị n'okpuru ọchịchị Ezeagu dị na steeti Enugwu. Ọ chọpụtara na, n'ọtụtụ oge n'Ezeagụ, a na-esite n'ọnụọgụgụ egwu ole a kụrụ amata na amụọla nwa ọhụrụ. Ọ bụ nnenna maọbụ nnenne ma ọ bụrụ na ọ dị ndụ nwere ike ịkpọ oku. Ma ọ dịghị ndụ, nwaanyị tọchara n'ezi ahụ ga-akpọkụ ndị mmadụ. Ọ gakwara n'ihu chọpụta na, a na-eji ihe egosipụta ma a mụrụ nwoke ma a mụrụ nwaanyị. O kwuru na a na-eji agbụ-akwụ (ete e ji egbu nkwụ) egosipụta na a mụrụ nwa nwoke; ebe e ji azịza maọbụ ekete egosipụta na a mụrụ nwa nwaanyị. Ya bụ na a na-eji ngwa ọrụaka kacha pụta ihe dị iche iche n'obodo ahụ egosipụta ma a mụrụ nwoke ma a mụrụ nwaanyị. Nchọcha a, na nke e ji n'aka yiri onwe ha maka na ha abụọ na-ekwu maka abụ ọṅụ nwa. Mana ihe dị iche na nchọcha Nnamanị na nke e ji n'aka bụ na, nke Nnamanị (afọ) na-ekwu maka ọrụ abụ ifo ebe nke a e ji n'aka na-ekwu maka ndanụsoro dị n'abụ ọṅụ nwa.

**Atụtụ Nchọcha**

Otu ọrụ atụtụ ọdịdị na-arụ bụ inyocha ka ọkpọabụ siri hazie abụ ya. Kedụ ụdị ahịrịabụ ndị o webatara n'abụ ya? Kedụ ka ọkpọabụ siri hazie mkpụrụokwu ndị mebere ahịrịabụ ya? Ahịrịabụ ole dị na nkeji abụ ndị ahụ? Nkeji ole ka abụ nwere? Kedụ ihe ndị ahụ e ji chọọ abụ ahụ mma? Atụtụ a na-agbado ụkwụ n'inyocha ọdịdị agụmagụ. Ndị tụpụtara atụtụ ọdịdị gunyere: Victor Shlovsky, Roman Jakobsonna Boris Eichenbaun (Abrams & Harpham, 2012). Atụtụ ọdịdị anaghị anabata mmekọrịta na-adị n'etiti agụmagụ na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ dịka ọmụmụ ụbụrụ na ọmụmụ obodo (Akaeze, Abọ & Ugwuoke, 2021). Ha kwukwara na atụtụ ọdịdị anaghị ewebata ihe gbasara, akụkọala, ọnọdụ obodo, nsirihụ ụwa maọbụ ndọrọndọrọ ọchịchị na ntụcha agụmagụ. Kama, ihe bụ isi nnyocha ya bụ ngwa agụmagụ na nkamma dị n'ọrụ agụmagụ. Ha gakwara n'ihu kwuo na atụtụ ọdịdị na-enyocha ọrụ agụmagụ iji hụ ma ọ gbasoro usoro a na-agbaso ede ụdị agụmagụ ahụ. Atụtụ a bụ atụtụ dabara nke ọma na nchọcha a maka na isiokwu nchọcha a hiwere isi na ndanusoro bụ nke so na nkamma abụ ọnụ, ọbụladị abụ aṅụ nwa ndị Igbo.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nchọcha nke nchọcha agbasoro bụ usoro nkọwa sovee. Ebe nchọcha gbadoro ụkwụ bụ n'ala Igbo. A kpachara anya họrọ ndị ọgụụ ise, otu onye na steeti ọbụla bụ ndị ọkpọabụ. Na mmadụ ise ọzọ n'otu aka ahụ bụ ndị nkwee. Abụ asaa a, a họrọ mee nchọcha a bụ ndị zuru steeti ise ndị a ọnụ n'ihi na ọ bụghị abụ ọṅụ nwa niile zuru steeti niile ọnụ. Usoro a gbasoro mee nhọrọ abụ ndị a bụ usoro nnọnye nlere nakwa ajụjụ ọnụ. Ka e nwetachara data, e deputara abụ ndị ahụ site na teepu baa n'ime akwụkwọ, wee tụchaa ha etu ndanusoro si apụta ihe n'ime ha.

**Ntụcha Njiatụle**

N'ebe a, a na-enyocha ndanusoro dị iche iche pụtara ihe n'abụ ọṅụ nwa. Ụzọchukwu (1985), kọwara na ndanụsoro na-ewepụta mma abụ. Ndanụsoro ndị ahụ bụ: bịambịakwa nkwụsi nkuruume, bịambịakwa nhatanha oge na bịambịakwa mmaju echiche.

**Bịambịakwa Nkwụsị Nkuruume**

Abụ na-adị n'ahịrị n'ahịrị. Ọ bụ ahịrị ndị a abụ na-adị mere e ji enwe bịambịam nkwụsị nkuruume. Ihe na-eweta ahịrị ndị a bụ nkwụsị nkuruume. Nke a kpatara na nkwụsị nkuruume dị ogologo, ahịrịabụ adị ogologo. Nkwụsị nkuruume dị nke nke, ahịrịabụ adị nke nke. Ụzọchukwu (2006) kwuru na ndanụsoro so ewepụta echiche na mmetụta obi dị n'abụ. O kwuru na ndanusoro ịga ọsịsọ, pụtara na echiche dị n'abụ dị mfe, na-ewepụtakwa mmetụta obi ọṅụ. Mana ndanusoro

gaa nwayọọ nwayọọ, echiche dị n'abụ siri ike ma na-ewepụtakwa mmetụta obi arịrị. Lee abụ ndị a nọ n'okpuru maka ọmụmaatụ bịambịam nkwụsị nkuruume:

**Abụ nke atọ (3)**
Á mụ̀rụ nwá eee
Nwa m mụrụ nwa eee
Nwá m mùrù nwá n'ábàlị̀
Nwá ọ́mà nwá ọma

Site na nnyocha a, a chọpụtara na nkwụsị nkuruume ka e ji ezipụta ngwụcha otu ahịrịabụ. Ahịrịabụ dị nkenke, nkwụsị nkuruume adị nkenke ma gakwa ọsịsọ. N'abụ nke mbụ a, o nwere ahịrịabụ ise nke mekwara o jiri nwee nkwụsị nkuruume ise. Á mụ̀rụ nwá e e e bụ ahịrịabụ nke mbụ ma bụrụkwa nkwụsị nkuruume nke mbụ. Nke abụọ bụkwa kwunkwukwa nke mbụ ma bụrụkwa nkwụsị nkuruume nke abụọ. Nwá m mùrù nwá n'ábàlị̀ bụ ahịrịabụ nke abụọ ma bụrụkwa nkwụsị nkuruume nke atọ. Ebe Nwá ọ́mà nwá ọma bụ ahịrịabụ nke anọ ma bụrụkwa nkwụsị nkuruume nke anọ na nke ikpeazụ.

**Abụ nke abụọ (2)**
Ọ̀ mụrụ nwá ọma eee
Ọ̀ mụrụ nwa ọma màrá ihe dị mma
Àlà ányị̀ mára mma
Ọ̀ mụ̀rụ nwá ọma
Mèzie òbodo

Abụ a nwere ahịrịabụ ise nke mere o jiri nwee nkwụsị nkuruume ise. Nke mbụ: *Ọ̀ mụrụ nwá ọma e e e.* Ahịrịabụ na nkwụsị nkuruume nke abụọ abụrụ *Ọ̀ mụrụ nwa ọma màrà ihe dị mma.* Nkwụsị nkuruume nke atọ bụkwa ahịrịabụ nke atọ, nke bụ: *Àlà ányị̀ mára mma*. Nke anọ abụrụ: *Ọ̀ mụ̀rụ nwá ọma*. Nke ise bụ nke ikpeazụ abụrụ: *Mèzie òbodo.* Ngwụcha ahịrịabụ ọbụla bụ otu nkuruume. Ka ọnụọgụgụ ahịrịabụ ha ka ọnụọgụgụ nkuruume ga-ahakwa.

Dị ka o si metụta nkwụsị nkuruume, anyị chọpụtara na abụ ọ̀nụ nwa bụ ihe obi ọma na-enwe nkwusi nkuruume dị nkenke. Nkenke nkwusị nkuruume na-egosi nkenke ahịrị abụ nke na egosikwa obi ụtọ. N'aka nke ọzọ, ndọtị nkwusi nkuruume n'abụ ọ̀nụ nwa na-egosi obi adịchaghị mma dị ka nwaanyị iji abụ nwa gosi akwa arịrị ụkọ nwa. Uzochukwu (2006:13) kwuru;

> mgbatị nkwụsị nkuruume na-adị na mgbatị ahịrịabụ nke na-ebute
> mgbatị na nra ahụ nkwụsị nkuruume nke na-egosi obi ọjọọ.

Ihe nke a pụtara bụ na bịambịakwa nkwụsị nkuruume na-egosipụta mmetụta obi dị n'abụ ọ̀nụ nwa a na-agụ.

**Bịambịam nhatanha oge**
Bịambịam nhatanha oge pụtara ihe n'abụ ọ̀nụ nwa. Mgbe ọbụla ahịrịabụ ndị mebere abụ nwere otu nkejiokwu, asị na ha nwere otu nkuruume nke mere ha ga-eji enwe otu nhatanha oge. Nke a bụ eziokwu maka na asụsụ Igbo bụ asụsụ nkejiokwu. Ka a hụ nke a n'abụ nke mbụ.

**Abụ nke mbụ (1)**

Ọ̀/ mụ/rụ/ nwá/ zụ̀/a/ nwa/ ya/
1 2 3 4 5 6 7 8

Nwá/ bụ̀/ ụ/wá/ ọ/ma/ e/ e/ e/
1 2 3 4 5 6 7 8 9

Ó/nye/ mụ/rụ/ nwa/ zụ́/a/ nwa/ ya/
1 2 3 4 5 6 7 8 9

Nwá/ ka/rị/rị/ e/go/ i/gwe/
1 2 3 4 5 6 7 8

N'abụ a, ahịrịabụ nke mbụ nwere nkejiokwu 8, nke abụọ enwee 9, nke atọ enwee 9, nke anọ bụ nke ikpeazụ enwee nkejiokwu 8. Nke a gosiri na abụ a nwere ezigbo nhatanha oge n'ihi na ọnụọgụgụ nhatanha oge ha didebere onwe ha. Abụ a na-esote na-akọwakwa otu ihe ahụ.

**Abụ nke 6**

Ù/gwu/ nwá/ dị/ e/bu/bé
1 2 3 4 5 6 7
Ù/gwu/ nwá/ dị/ e/bu/bé/
1 2 3 4 5 6 7
Ó/nyè/ ná/-è/nwe/ghị/ o/bi/
1 2 3 4 5 6 7 8

Á/na/ghị̀/ a/rị́/ u/gwu/ nwa/
1 2 3 4 5 6 7 8

Ù/gwu/ nwá/ dị/ e/bu/bé/
1 2 3 4 5 6 7

A/ga/ m/ a/rị/ ya/ a/rị/
1 2 3 4 5 6 7 8

Mà/ ọ́/bụ́/rụ/ Chí/ m /kwe/
1 2 3 4 5 6 7

N'abụ nke isii (6) a, ahịrịabụ nke mbụ (1), abụọ (2), Ise (5) na asaa (7) nwere nkejiokwu asaa (7), ebe ahịrịabụ nke atọ (3), anọ (4), na nke isii (6) nwere nkejiokwu asatọ (8). Ọ bụ eziokwu na e nwere ndị ji otu nkejiokwu ka ibe ya. Mana ha dum ka nọkwa n'otu nhatanha oge n'ihi na e nwere ike iji mgbatị/ndọti ụdaume mezuo nkejiokwu ahụ ma ndị ngere agaghị ama. E nwekwara ike iji nnabiri olu mejuo nkejiokwu na-ezughi ezu ma ndị ngere agaghị ama. Asụsụ Igbo bụ asụsụ gbadoro ụkwụ na nkejiokwu. N'ọnọdụ a, nhatanha nkejiokwu na-egosi nhatanha ụda nke na-egosikwa nhatanha oge. Nke a ka a kpọrọ *isochronisms* na bekee ma ọ bụ ihe Leech (1969) kpọrọ *"equal-time-ness"*. Nke a na-apụta ihe n'abụ Igbo niile nakwa n'abụ ọñụ nwa dị ka anyị gosiri n'elu. Mgbe ụfọdụ, nkejiokwu ahịrịahụ niile nọ n'otu nkeji abụ nwere ike ọ gaghị aha

nhatanha mana ọ bụrụ na e nwere nhatanha ụda (beats) I mara na a ga-enwe nhatanha oge nke ndanusoro. Iji hụ na nke a dị ire, e nwere ike iji naara olu ebe ndị nkwee ma ọ bụ onye ọgụụ na-ebido ahịrịabụ tupu oge ha eruo. Ebe otu ahịrị abụ pekarịrị mbe, e nwere ike jiri mgbati ụdaume mezuo nkeji abụ ahụ iji mezuo nhatanha oge ya na ndanusoro.

**Bịambịam Mmaju Echiche**

Ụdị ndanusoro a apụtaghị ihe n'abụ ọṅụ nwa ndị anyị họọrọ mee ntụcha. N'ụdị ndanusoro a, a na-enwe echiche na-amajụ ibe ya. Ụdị mmaju a na-eyi onwe ha n'ọdịdị nakwa na nghọta. Ịmaatụ:

1. A chọwa oke ehi
   A chọwa oke mmadụ } 1
2. Nwa hem hem na-aga
   Nwa gem gem na-ele ya } 2

Anyị achọpụtaghị ụdị ndanusoro a n'ime abụ ọñụ nwa niile anyị ji mee ntụcha kama ihe pụtara ihe n'abụ ọṅụ nwa anyị ji mee nchọcha bụ mmaju ahịrị. Na nghọta mmaju ahịrị a, nghọta ahịrị nke mbụ anaghị ezu oke ma agụpụtaghị nke abụọ na-esota ya. Ihe nke a pụtara bụ na n'ụdị ndanụsoro a, tupu e nwee nghọta, a ga-agụpụta ahịrịabụ nke na-esote nke a gụrụla iji nweta nghọta ahịrị nke mbụ ahụ. Ka a hụ ọmụmaatụ nke a n'abụ nke 4, 5 na nke asaa.

**Abụ nke 4**

Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nnwá

Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nnwá

Ọg: Ó sie nri leeti
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ọ́ gaa ahịa leeti
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ó kulighi n'oge
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ó kweghị ịga ọ́rụ
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nnwá

N'abụ nke 4, ọgụụ na-ekwupụta ihe niile ụmụnwaanyị na-agabiga mgbe ha na-elekọta nwa ọhụrụ. Ebe ndị nkwere nkwe na-ekwupụta na a ga-agbaghara ya maka na ọ mụrụ nwa. Ya bụ

maka nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụ, a ga-agbaghara ya ma o mehie. *Íhe bụ ihe ọ mèna*, *Ó sie nri leeti* na ndị ọzọ bụ ihe nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụ nwere ike ịgabiga. Ebe *Gbághàrá ya nà ọ́ mụrụ nwá* bụ ihe ndị nkwere nkwe na-ekwe iji mejupụta echiche dị n'ahịrịabụ ndị ahụ ndị ọgụụ na-ekwupụta. Ọmụmaatụ ọzọ kwa:

**Abụ nke 5**
Ọg: Má ọ bụgụ me nwá
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Má ọ bụgụ me nwá
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Ị̀chafụ̀ íshí
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọgụ: Úkwù jọ́ọ́jì
Nkw: Ónye je-enye m?

Ákpụkpụ ụkwụ
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Mgbanẹ́ka
Nkw: Ónye je-enye m?

**Abụ nke 7**
Íhe nwa nà-eme m
Ọ́ dùbe m ọyị

Íhe nwa nà-eme m
Ọ́ dùbe m ọyị

Èmé àtiti ékwà
Ó dùbe m ọyị
Èmé à ékwúrèkwú
Ó dùbe m ọyị

Èmè òchuchu ụ́rà
Ó dùbe m ọyị

Chúkwu sị̀rị́ gịnị?
Nà ọ́ ja-adị́ ụma n'oge ikpéàzụ́

N'abụ ndị a dị n'elu (5 na 7), echiche dị n'ahịrị nke mbụ ezughi oke belụsọ ma a gụpụtara nke abụọ. *Má ọ bụgụ me nwá?* na *Ónye ge-enye m?* si n'abụ nke 5, Ọgụụ jụrụ: *Má ọ bụgụ me nwá*? Ndị nkwere nkwe aza ya: *Ónye je-enye m?* nke wepụtara echiche nọ na nke mbụ. N'abụ nke 7,

ahịrị nke mbụ sị: *Íhe nwa nà-eme m* Ahịrị nke abụọ a sị: *Ọ́ dùbe m ọyị*. Ahịrịabụ nke abụọ wepụtara echiche nọ na nke abụọ. Otu a ka ahịrịabụ na-esote nke ọbụla si wepụtacha echiche ndị nke mbụ. N'abụ 5, onye je-enye m bụ ahịrị na-amaju ahịrị nke mbụ bụ ma ọ bụgụ me nwa n'ihi na ọ bụ ọsịsa nye ajụjụ ahụ ahịrị nke mbụ na-ajụ. N'aka nke ọzọ, n'abụ nke asaa, ọ dube m ọyị bụ ahịrị na-amaju echiche ahịrị nke mbụ na-egosi nsogbu niile nwaanyị ọmụgọ na-agabiga ma na-egosi na nwaanyị ọmụgwọ anaghị ewe iwe ọbụla n'ihi nke ahụ.

**Nchịkọta na Ntụnye Aro**

Abụ ọ̀nụ nwa bụ otu n'ime abụ ọnụ Igbo nke ụmụnwaanyị na-agụ mgbe a mụrụ nwa ọhụrụ n'obodo. Ha na-agụ abụ ndị a iji too Chiukwu maka ngọzị ọmụmụ. Ha na-ejikwa abụ ọ̀nụ nwa aja nwaanyị mụrụ nwa ike maka na ọ dịghị mfe ibu afọ ime ọnwa itoolu, mụọ ya ma kuru n'udo, maka na ụmụnwaanyị ụfọdụ na-anwụ n'afọ ime ebe ụmụaka ụfọdụ na-anwụ mgbe a na-amụ ha. Ha na-esikwa n'abụ ọ̀nụ nwa aja nwoke nwunye ya mụrụ nwa ike maka na ọ bụghị ụmụ nwoke niile nwere ike ịtụwa nwaanyị ime, ma lekọta ya ruo mgbe ọ mụrụ nwa. Site n'ọdịdị abụ ọ̀nụ nwa ndị a e nyochara, a hụrụ na ụdị ndanusoro abụọ dịka Ụzọchukwu (2012) kwuru nke gụnyere bịambịam nkwụsị nkuruume, bịambịam nhatanha oge pụtachara ihe n'abụ ọ̀nụ nwa ndị Igbo. Nke na-apụtaghị ihe bụ nke atọ bụ bịambịakwa echiche na-amaju ibe ya. Kama n'ọnọdụ ya, e nwere ahịrị mmajụ nkịtị.

Nnyocha ndanụsoro n'abụ ọ̀nụ nwa dị oke mkpa maka na abụ ọ̀nụ nwa na-egosi nkwenye ndị, nhụrụụwa ha ma na-echekwa omenaala ndị. A na-atụpụta aro ka ndị nchọcha agụmagụ jisie ike na-enyocha abụ ọnụ Igbo nke ga-eme ka echekwa olundị maka na ọtụtụ abụ ọnụ Igbo bụ n'olundị ka a na-agụ ha.

**Nrụmaka**


Abrams, M.H. & Harpham, G.G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). Boston: Wadsworth Cengage Learning.

Akaeze, C. M., Abọ, S. & Ugwuoke, P. (2021). N*tọala Ọdịnịịgha Igbo Ọlọrọọhụrụ.* Nigeria. Pacific Publishers Ltd.

Finnegan, R. (2012). *Oral literature in Africa*. Cambridge, England: Open Book Publishers.

Ihedigbo**,** R. E. (2017). Theme and Style of Igbo Birth Songs. Ph.D. Thesis. Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Leech (1969). *A linguistic guide to English poetry*. England: Longman.

Mbuda, F. (2003). Birth songs of the Oku women of Cameroon. *Nsukka Journal of Humanities*, 13, 248–269.

Nnamani, S. (2014). The role of folk music in traditional African society: The Igbo experience. *Journal of Modern Education Review,* 4, 304–310.

Offor, P. (2008). Documentation and analysis of selected folk songs from Anaọcha Local Government Area of Anambra State. M.A. Dissertation, University of Nigeria, Nsukka.

Ogunjimi, B., & Na'Allah, A. (2005). *Introduction to African oral literature*. Trenton, NJ: Africa World Press.

Okoronkwo, H. (2006). Nnyocha abụ ọṅụnwa Ishiagụ. B.A. project, Abia State University, Uturu.

Okpewho, I. (1992). *African oral literature: Backgrounds, character, and continuity*. Bloomington, IN: Indiana University Press.

Uzochukwu (1990). Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo. Onitsha: Kawuriz and Mamilas Publishers.

Uzochukwu, S. (1981). Meter and rhythm in Igbo oral poetry. *African Studies,* 40(1), 33–40.

Uzochukwu, S. (1985). The language of poetry. Staff seminar paper, Dept of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Uzochukwu, S. (2006). *Traditional Birth Poetry of the Igbo*. Lagos. Sam Orient Publishers.

## Mgbakwunye

**Abụ nke 1**
Ọ̀ mụrụ nwá zụ̀a nwa ya
Nwá bụ̀ ụwá ọma eee
Ónye mụrụ nwa zụ́a nwa ya
Nwá karịrị ego igwe

**Abụ nke 2**
Ọ̀ mụrụ nwá ọma eee
Ọ̀ mụrụ nwa ọma màrá ihe dị mma

Àlà ányị̀ mára mma
Ọ̀ mụ̀rụ nwá ọma
Mèzie òbodo

**Abụ nke 3**
Á mụ̀rụ nwá eee
Nwa m mụrụ nwa eee
Nwá m mùrù nwá n'ábàlị̀
Nwá ọ́mà nwá ọma

**Abụ nke 4**
Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nnwá

Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nnwá

Ọg: Ó sie nri leeti
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ọ́ gaa ahịa leeti
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ó kulighi n'oge
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Ó kweghị ịga ọ́rụ
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nwá

Ọg: Íhe bụ ihe ọ mèna
Nkw: Gbághàrám ya nà ọ́ mụrụ nnwá

**Abụ nke 5**
Ọg: Má ọ bụgụ me nwá
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Má ọ bụgụ me nwá
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Ị̀chafụ̀ íshí
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọgụ: Úkwù jọ́ọ́jì
Nkw: Ónye je-enye m?

Ákpụkpụ ụkwụ
Nkw: Ónye je-enye m?

Ọg: Mgbanẹ́ka
Nkw: Ónye je-enye m?

**Abụ nke 6**
Úgwu nwá dị èbubè
Úgwu nwá dị èbubè
Ónyè ná-ènweghị obi
Ánaghị̀ arị́ ugwu nwa
Ùgwu nwá dị èbubè
Aga m arị ya arị
Mà ọ́bụ́rụ Chí m kwe

**Abụ nke 7**
Íhe nwa nà-eme m

Ọ́ dùbe m ọyị

Íhe nwa nà-eme m
Ọ́ dùbe m ọyị

Èmé àtiti ékwà
Ó dùbe m

Èmé àtiti ékwúrèkwú
Ó dùbe m ọyị

Èmè òchuchu ụ́rà
Ó dùbe m ọyị

Chúkwu sị̀rị́ gịnị?
Nà ọ́ ja-adị́ ụma n'oge ikpéàzụ́